# MMIRI, MANNA, NA NNỤNỤ

## Ọpupu 15:22-27; 16: 1-36

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 58 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ma ihe ndia nēmeri ndi ahu n'uzọ ihe-àtù; ewe de ha n'akwukwọ nsọ ka ha we buru ihe idu ayi ọdù, ndi ọgwugwu oge ndia ruteworo" (I Ndi Kọrint 10:11).**

**I Mmiri Nke Mara**

1. Ụzọ nke Ụmụ Israel si jee gabigara ọzara mmiri naadịghị. Ọpupu 15:22
2. Mmiri mbụ ha hụrụ bụ nke naadịghị mma ọñụñụ, Ọpupu 15:23
3. Ụmụ Israel zipụtara omume anụarụ ha site n'ịtamùntamù megide Moses, Ọpupu 15:24; 14:11; Abù Ọma 106:15, 16
4. Moses gosịrị mmụọ nke OnyeKraist site n'ikpéekpere mgbe ha nọ ná nsogbu, Ọpupu 15:25; Matiu 5:44
5. Site n'ọlụ ebube, Chineke napụtara Ụmụ Israel n'akpịrị ịkpọnkụ̀, Ọpupu 15:25
6. Chineke nyere Israel ụkpụrụ na ikpé zuruòkè, Ọpupu 15:25, 26; Jeremaia 7:22, 23
7. Israel mara ụlọikwu ha n'Elim nwaoge, Ọpupu 15:27

**II Manna na Nnụnụ Maka Nri**

1. N'ọzara Sin Ụmụ Israel tamụrụ ntamụ̀ megide Moses na Eron, Ọpupu 16:1-3; 5:20, 21; 14:12, Abù Ọma 105:40, 78:14-28
2. Chineke kwere mkwà isi n'Eluigwe zite achịcha, ọ bụghị náánị iji nye ha ihe ha chọrọ, kama ọ bụ kwa iji nwaa ha n'ịña ntị, Ọpupu 16:45; Deuteronomi 8:3, 16
3. Nri ahụ anaenye ha kwa ụbọchị bụ kwa ihe ngosi na ọ bụ Chineke siworo n'Ijipt dupụta ha, Ọpupu 16:6; Matiu 6:11; Ndi Filipai 4:19
4. Moses gwara ha na ntamù niile ha naatamù bụ imegide Chineke, Ọpupu 16: 7-9
5. Ebube Chineke pụtara ìhè nye Ụmụ Israel mgbe Ọ naagwa ha okwu, nke bụ kwa ihe ịgbaàmà na ọ bụ Ya naedú ha, Ọpupu 16:10-12
6. Ezitere nnụnụ n'anyasị zite kwa manna n'ụtụtụ -- nke zuru mmadụ niile, Ọpupu 16:13-15; Ọnu-ọgugu 11:7-9; Joshua 5:10-12; Nehemaia 9:19-21; Nkpughe 22:18
7. Iwu banyere manna ahụ na idebe ụbọchị izuike ka enyere iji nwaa nrubeisi nke Israel, Ọpupu 16:16-31
8. Edebere otù itè manna dịka ihe ncheta ebighịebi banyere nrọpụta nke Chineke, Ọpupu 16:32-36

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Iji Ọchị chọ Anụarụ Tụnyere Okpukpé NdiKraist**

Ọ dịghị anya óké mmeri ahụ n'Osimiri Uhie gasịrị mgbe nsogbu ọzọ ji bịakwasị kwa Ụmụ Israel. Nwagharị niile Ụmụ Israel dị ka ndụ nke OnyeKraist. Mgbe anyị batara nime "nnwaputa nile nke ọzara," anaetinye anyị n'ule nime obi anyị onweanyị iji mata ezi ọ̀tụ̀tụ̀ nke mmata anyị mataworo Chineke. Enwere ịdị ọhụụ na óké ọñụ anyị naenwe ná mmalite nke ịbụ OnyeKraist anyị nke pụrụ inwe ihe mgbochi n'oge náadịghị anya site n'ikùkùọkụ siriike nke ọzara; ma ewezuga na anyị matara nkeọma ihe Chineke bụrụ anyị, n'ịdị elu karịa kwa ihe niile ọ bụla ọzọ, wee nwee kwa mkpebi siriike ijisiike, o ji pụrụ ịdaghachịàzụ̀, wee chee iru n'Ijipt ọzọ, nime obi anyị.

Ijè nke ụbọchị atọ nime ọzara gaemeworị ka añụsịa mmiri mmadụ nwereike ibu n'arịa ya. N'eziokwu ndị Israel nwere olileanya siriike n'ebe mmiriiyi mbụ ahụ nke ha nwereike ịchọta dị, bú ebe ha gaañụ mmiri jụrụ oyi nke gaeme ka akpịrị ịkpọnkụ̀ ha bie. Ọ bụ ihe dị mfé ịghọta na olileanya ha mebiri mgbe mmiriiyi ahụ bụ mmiri náeluilu kama ịbụ nke naatọ ụtọ. Nke a bụ ule nye ha. Chineke Ọ̀ bụ kwarị Chineke ha n'ezie? Ọ̀ gaelekọta ha anya n'ụzọ ha niile? Ọtụtụ ihe meworo nke naeso nke a gosiri ọdịda ha na enweghị okwukwe ha.

**Mmiri Náeluilu kaọ̀bụ Mmiri Emere ka ọ dị Ụtọ?**

Lee ihe dị iche n'etiti Ụmụ Israel na nwoke ahụ náasọpụrụ Chineke, bú Moses. Ha kwuru okwu ọjọọ megide Moses, ná ebo ya ebubo, ma ya onweya tikuru Jehova. Ebe a ka emere ka ihe dị iche n'etiti ịnọ n'anụarụ na ịsọpụrụ Chineke pụta ìhè. Otù jupụtara ná ntamù, obiọjọọ na enweghị obi ekele; ma nkeọzọ enweghị nke ọ bụla nime ihe ndịa nime obi ya, n'ihi na o nwere Isiiyi nke náadịghị akwụsị akwụsị, Isiiyi nke ike na mkwagide bú nke ya onweya nwere mgbe niile, na otù Ntị náadịghị emechi mgbe ọ bụla nye itimkpu ya. Mmiri ilu ahụ bụ onyinyo nke mkpagbu, ọnwụnwa, iruuju, ihemgbu, ihe mwuta n'ihi ndị anyị nwụrụ, na úsù ahịa niile dị nime ndụ a nke náabịara mmadụ niile. Ma OnyeKraist ahụ nwere Onye ọ naejekuru n'oge ọgbaaghara nke ndụ inweta nnanpụta na nkasịobi.

Mmeri niile nke ndụ nke dịkarịsịrị ukwuu, dịka ngabiga nke Osimiri Uhie ahụ, nwereike nwee ọtụtụ ihe nke náakpasu iwe gaesochi ya n'azụ̀, ọbụná mgbe anyị na anọ n'ụzọ ziriezi. Ma n'akụkụ ọdọmmiri Mara ọ bụla, ọ dị otù osisi náetó, nke bụ na mgbe atụbara ya nime mmiri niile ahụ ọ naeme ka ha dị ụtọ n'ọñụñụ. Otù Osisi? Ọ bụ ya n'ezie; maọbụ osisi náenweghị akwụkwọ, nke egbutara ghara ịkpụcha ya akpụcha nke igirigi na ifufe oge oyi meworo ka ihe ghara ịdị na ya -- Obe ebube dị óké ọnụ, dị ilu, dị nwuta, náeguzosiike, nke Ọkpara Chineke. Site n'urù niile nke Mkpụchimmehie ahụ nke egotara n'elu Obe, anyị pụrụ ịchọta inyeaka ahụ dị anyị mkpà

n'ọgbaaghara ọ bụla nke ndụ. Osisi a Jehova gosiri Moses bụ ụdị onyinyo maramma nke ngọzi niile nke Kraist naewebata ná ndụ onye kwereekwe, site n'Obe ya ahụ dị ihere na mbilite O si n'ọnwụ bilie. Osisi ahụ n'onweya enweghịike ịgwọ ọrịa dịka ájá ahụ agwọrọ agwọ nke Jisọs tinyere n'anya nwoke ahụ kpuru ìsì náapụghị ịgwọ ọrịa, dịka mmiri Jọdan kwa bụ́ ebe emere ka Neaman si n'ekpenta ya dị ọcha náapụghị kwa ịgwọ ọrịa. Itinye osisi ahụ nime mmiri bụ̀ otù ụzọ nke itinye okwukwe n'ọlụ na ngosipụta nke okwukwe na irubeisi ahụ nke **wetara ihe ahụ anaachọ.**

### Ụkpụrụ Enyere Tupu Enye Iwu Nke Ndị Livai

Chineke mere ụkpụrụ na ikpé n'oge a maka ọdịmma nke Israel na odudu ha, nke jikọtara ụkpụrụ nke omume ọma niile nke náadị site ná mmalite dịka enyekwara ya n'Ugwu Sainai mgbe emesịrị (Ọpupu 15:25, 26). Inye Iwu n'Ugwu Sainai bụ nzọụkwụ ọzọ nime mkpughe Chineke banyere Onweya na uche Ya. Ikpé a, nke enyere tupu ewue ebe ịchụàjà nke mbụ n'ọzara, dị mkpà iji zipụta ezi ụdị na mmụọ nke ikpé (ememe) dị icheiche nke ndị Livai. Eji ikwe mkwà nye ya onye ọ bụla gaeme ya, na ọ dịghị ọrịa nime ọrịa niile nke Ijipt gaabịakwasị ya, na Chineke gaabụ kwa Onye náagwọ ọrịa ya niile, bụrụ kwa Onyendú na Onye gaekpuchi ya. Nke a bụ otù nime mkwà ukwu dị icheiche anyị naeguzo n'elu ya n'oge nrịanrịa na ọnwụnwa.

### Ijè Ahụ Ijéru Ọzara Sin

Israel mara ụlọikwuu ha n'Iliam n'ihi na ọ dị olùlùmmiri irinaabụọ na iri mkwụ asaa dị n'ebe ahụ. Otù onye ijè nchọpụta, bụ́ onye hụrụ Chineke n'anya, chọpụtara ebe o kweere na ọ bụ ebe ha mara ụlọikwuu ha n'oge náadịghị anya garaaga. Ọ naekwu na olùlùmmiri iteghete nime ha ka ghekwara oghe, na uzuzu ọzara ahụ mmiri náadịghị ekpuchighị kwa ha. Mkwụ iriasaa ahụ aghọwo óké ọhịa nke náewetara ndị náewe iheubi nke mkpụrụ mkwụ ndịa ego dị ukwuu.

Ma Ụmụ Israel tamuru ntamù ọzọ! Na nke ugbu a, ha gụnyere Eron n'onye kwesịrị ka ha tamue megid. Ụmụ Israel dị ka ha naechè na ịkpọpụta ha site n'Ijipt bụ ọlụaka Moses na Eron. Ọlụ ebube ahụ niile bụ nnọọ ihe pụrụ ime ka mmadụ kwere; ma ngwangwa ha gabigara, Ụmụ Israel ahụ adaghachi kwa àzụ̀ nime ekweghịekwe ochie ha. N'ihi nke a, Chineke nyere ha ọlụebube ha naahụ́ ụbọchị ọ bụla ka ha wee nwee ihe ngosi n'anya ha mgbe niile na Ya naetinye aka n'ihe niile gbasara ha. Tinyere ọlụ ebube nke inye ha nnụnụ, O nyere ha manna n'ụbọchị ọ bụla ịbụ nri ha.

Okwu ọnụ ha niile naezipụta na ọ bụ eziokwu na orù nke ha bụrị n'Ijipt dị ha mma karịa ọnọdụ ahụ ha nọ n'ọzara na mkwà ekwere ha banyere ala udo na uju nke ha gaenweta n'ọdin'iru. Ha apụghị ịnọ n'óké ụkọ, n'ihi na ha si n'Ijipt weta óké igwe ewu na atụrụ na ehi. Mkpu ha tikuru Moses na Eron. "Ọ gādi ayi nọọ nma, ma asi na ayi nwururi n'aka JEHOVA," dị ka ọ naegosi na ọnwụ site n'otù nime ihe otiti ezigara ndị Ijipt ka ha mma karịa ọnọdụ ha nọ ugbu a. Nime enweghị ntachịobi na ekweghịekwe ha, ha ñomiri ịnọ n'ọnọdụ ndịiro ha etigbuwororị! Ụdị enweghi obiekele na ichezọ amara na ike Chineke dị otú a dị ka ihe náapụghị imeeme tupu anyị eleba anya nime obi nke anyị onweanyị wee hụta ihe gaanọchịworị ebe ahụ ma ọ bụghị n'ihi amara Chineke!

### Nnupụisi Nke Israel

Inye manna ahụ bụ kwa ile nrubeisi nke Israel ule. N'ụtutụ ka ha gaekpokọta náání nke dị ha mkpà maka ụbọchị ahụ otù ọ̀tụ̀tụ̀ omer nye otù onye. (Ekwuru na otù **omer** bụ ihe dị ka ụzọ-atọ nime ụzọ anọ n'ihe ọ̀tụ̀tụ̀ nke anyị, na ihe ọ pụtara bụ otù **mkpùmkpù**). N'ụbọchị nke isii n'izù, ha kwesịrị ịchịkọta okpukpu abụọ n'ihi Ụbọchịizuike ebe ọ bụ na ọ dịghị nke gaada n'ụbọchịizuike ahụ. Manna ọ bụla achịkọtara nke edebere rue ụbọchị naesote ya gaagba ikpuru, bụrụ kwa ihe náabaghị urù iji mee ihe ọ bụla, ma nke ahụ achịkọtara n'ụbọchị nke isii gaadị kwa mma n'Ụbọchịizuike. Anyanwụ gaagbaze manna ọ bụla nke fọdụrụ n'ọzara mgbe ha chịkọtasịworo nke ha chọrọ, ma apụkwara ịghe ya nime ọkụ dịka ntụ emepụtara site n'ọkà. Ya na igirigi naeso abịa, ma náagbanyeghị nke a o siriike bụrụ kwa ihe apụrụ igwé n'ikwè maọbụ n'igwè eji akwọ ihe.

Ihe niile banyere àtụ̀mààtụ̀ ahụ ka emere iji kụziere Israel óké ihe. Ọ bụghị náání na ha enweghị ntụkwasịobi na Chineke pụrụ inye ha ihe ha chọrọ banyere nri ha, kama ha mere ka nri ahụ bụrụ isi ihe niile nke ha gaeji dị ndụ; n'ihi nke a Chineke wedara ha n'ala wee mee ka agụụ gụọ ha, were kwa nri ha náamaghị zụọ ha, iji mee ka ha mara na ọ bụghị náání achịcha ka mmadụ gaeji dị ndụ, kama ọ bụ site n'okwu niile ọ bụla nke sitere n'ọnụ Jehova pụta.

Iheọ̀mụ̀mụ̀ nke mbụ bụ ịdabere na Chineke maka inye ha ihe dị ha mkpà n'ụbọchị. Jisọs ziri ndị náesoụzọ Ya ka ha náekpe Ekpere nke Onyenweanyị ahụ anyị maara nkeọma, bụ́ ebe Ọ gwara ha ka ha rịọ banyere nri ụbọchị ha. Chineke chọrọ ka anyị dabere na Ya n'ihe ọ bụla – mgbe niile! Anyị naadị ike mgbe anyị matara adịghịike anyị wee bịakute Ya ka O nyere anyị aka.

Iheọ̀mụ̀mụ̀ nke ọzọ bụ nke irubeisi. Ụfọdụ nime ha gosịrị enweghị nsọpụrụ n'ihe Chineke nyere n'iwu na enweghị ntụkwasịobi n'okwu Ya, ya na óké akpịrị na anyaukwu, site n'ịchịkọta karịa ihe enyere ha n'iwu ịchịkọta, maka mkpà nke otù ụbọchị, na ịpụ ijé chịkọta manna n'Ụbọchịizuike. Añaghịntị ha wetara okwu amamikpé site n'ọnụ Chineke, ma ná agbaghịagụgọ ọ bụ náání ebere Ya mere ka Ọ ghara ibipụ ha nime mmehie ha.

**Onye ọ bụla nke Chọrọ**

Ihe ngosi nke ezimmeso nke Chineke a n'ụbọchị n'ụbọchị, bụ ụdị nzọkwasị ọzọ nke Chineke naenye Ụmụ Ya kwa ụbọchị, nke bụ́ óké ihe mmụta nye anyị. Manna ahụ bụ ụdị Kraist, nke bụ Okwu Chineke. Jisọs sịrị na Ya Onweya bụ Nri náenye Ndụ. O si n'Eluigwe bịa inye ndị niile gaekwere ma ñaa kwa Ya ntị ndụ. Nri ahụ, kwa, ka agaachịkọta kwa ụbọchị ma ọ bụrụ na anyị gaenweta iheọma niile nke náesite na Ya. Ụmụ Israel gaanwụworị n'ọzara ma asị na Chineke ejighị nri si n'Eluigwe zụọ ha, mkpụrụobi ọ bụla gaanwụworị ma asị na Jisọs esighị n'Eluigwe bịa nye Onweya n'ihi ndụ nke ụwa. Manna ahụ dị nke gaezu mmadụ niile (Ọpupu 16:18); na ọkpụkpọ̀kù nke óké Oziọma "Onye ọ bula nke kwere," naekwe mkwà zuruòkè nye nwoke, nwanyị, na nwatakịrị ọ bụla nke gaanara ọlụebube nke Amara ahụ, na ọ gaaba ná ndụ̀ ebighịebi.

Ngọzi anatara na chiọbụbọ bụ urù náadị rue ọgwụgwụ ụbọchị. Mgbe mmadụ zutere Chineke n'ụtụtụ, tupu ọ baa ná mkpà na ọlụ niile nke ụbọchị, o kpewo ekpere nata kwa ngọzi nke gaadị ụbọchị ahụ niile. Àtụ̀mààtụ̀ nke ụbọchị anyị na ndụ anyị naebi bụ otù ihe. Ọ bụrụ na anyị achọọ manna nke Eluigwe n'ụtụtụ nke ndụ, ogologo arọ niile enyere anyị n'ụwa gaejupụta ná ngọzi, nke agaachịkọta ọnụ ná Nwelikọ Ebube Ndịnsọ ịbà n'ụlọ Ebighịebi anyị, ebe anyị gaanọ n'ọñụ nime Onyenweanyị na Onyenzọpụta anyị rue ebighịebi.

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ ọtụtụ ngọzi anyị gaele anya ịnata site n'ihe ahụ nke yiri otù ụdị "nnwaputa n'ọzara nime ndu nke anyị"?
2. Gịnị bụ omume Israel mere mgbe ha hụrụ na mmiri nke Mara adịghị mma n'ihe ha chọrọ iji ya mee?
3. Gịnị ka Moses mere? Gịnị bụ ihe ekwesịrị ịmụta site n'omume ya?
4. Gụọ ha dịka ọ dị na Baịbụl, maọbụ gụọ ha n'okwu ọnụ nke gị ihe dị nime ụ̀kpụ̀rụ̀ na ikpé enyere Israel n'oge a?
5. Gịnị bụ óké mkwà nke dị nime ụ̀kpụ̀rụ̀ a?
6. Mgbe Israel tamurù ntamù ọzọ, ònye ka ha chérè na ha naatamù ntamù megide? ònye ka ha tamurù ntamù megide n'eziokwu?
7. Gịnị ka ha gbakwasịrị ụkwụ ná ntamù a.
8. Òlee otú Chineke si zaa ya?
9. Kpọ aha ihe dị icheiche dị nime Baịbụl n'ebe anyị gụrụ, nke náegosi anyị na manna ahụ bụ nri enyere n'ụzọ dị ebube?
10. Gịnị bụ iheọ̀mụ̀mụ̀ banyere idebe Ụbọchịizuike na ido ya nsọ nke eziri n'oge a?